# Nkwupụta Ihu Igwe na Ndọrọ Ndọrọ Ọchịchị Ebe Nchekwa Data

| Mmiri | Ike |
|---|---|
| Mmetọ | Ndọrọ Ndọrọ Ọchịchị |

IIhe Osise Ozi na Akwụkwọ Ntụaka,
tinyere Ndepụta Akwụkwọ Nwere Nkọwa

Ndị wetara ya:

The Aula Fellowship

Weebụsaịtị na ihe enyemaka:

**Mmalite**

Ndị chọrọ iwu ebe nchekwa data ma ọ bụ kwado ya na ndọrọ ndọrọ ọchịchị na-ekwu maka mmetụta ebe nchekwa data na-enwe n'ihu igwe. Mgbe nkọwa zuru ezu adịghị, ụfọdụ nkwupụta nwere ike iyi ihe ziri ezi karịa ka ha dị n'eziokwu. Mgbe e tinyere nkọwa zuru ezu, nkwupụta ndị a nwere ike ibute nsonaazụ ndọrọ ndọrọ ọchịchị dị nnọọ iche.

Ihe osise ozi a bụ maka ndị nhazi obodo, ndị ọrụ ọchịchị obodo, ndị nta akụkọ, ndị nkuzi na ndị na-etinye ego. Ọ na-enye ntụaka ngwa ngwa banyere nkwupụta ndị a na-ekwukarị na nkọwa dị mkpa iji ghọta ha. Ndepụta akwụkwọ nwere nkọwa so ya na-enye ntụaka maka ojiji ndị ọzọ.

*This document is a copy of the original English inforgraphic: Climate Claims in Data Center Politics.*

## Nkwupụta Ihu Igwe na Ndọrọ Ndọrọ Ọchịchị Ebe Nchekwa Data





1/12

### Nkọwa Banyere Okirikiri Mmiri

NKWUPỤTA

«Ọ bụrụgodị na mmiri ghọọ alụlụ, ọ ga-alọghachi dịka mmiri ozuzo».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Mgbe mmiri ghọrọ alụlụ n'oge a na-ajụ ihe oyi, ọ na-ahapụ mpaghara mmiri obodo ahụ ma daa dịka mmiri ozuzo n'ebe ọzọ (1.1, 1.2, 1.3).



2/12

### Nkọwa Nkà na Ụzụ Banyere "Ọ Na-agafe Naanị"

NKWUPỤTA

«Mmiri na-agagharị n'okirikiri ma laghachi n'usoro ahụ mgbe ọ gafesịrị n'ebe nchekwa data».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Ịrụ ụlọ n'ebe ụkọ mmiri na-emekarị na-emebi ịdịgide nke mmiri dị n'okpuru ala ma na-akpata ọdịda nrụgide n'usoro mmiri, nke na-eme ka ugbo ghara inwe mmiri zuru ezu (2.1, 2.2, 2.3).



3/12

### Nkọwa Mmiri Banyere "Ọ Dịghị Ihe A Tụnyere"

NKWUPỤTA

«Ojiji ebe nchekwa data anaghị emerụ mmiri ahụ».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Mmiri na-enweta mmetọ kemịkal na nke ihe dị ndụ (3.1, 3.2). Ndị na-ewu ebe nchekwa data na-ezochi ozi gbasara mmetọ (3.3).



4/12

### Usoro Ndị A Na-akpọ Okirikiri Mechiri Emechi

NKWUPỤTA

«Ha na-eji mmiri nke ọma ma ọ bụ na-eji ike dị ọcha n'ihi na ha bụ "okirikiri mechiri emechi».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Ịrụ ọrụ nke ọma na-eme naanị ka mmetọ na-abawanye nwayọọ. A na-echekwa mmiri site n'iji ike ruru unyi. N'ikpeazụ, a na-awụpụ mmiri ahụ (4.1, 4.2, 4.3).

# Nkwupụta Ihu Igwe na Ndọrọ Ndọrọ Ọchịchị Ebe Nchekwa Data



5/12

## Nkwupụta Banyere Ike Nuklia Ọhụrụ na Nke Dị Elu

NKWUPỤTA

«Ike nuklia nwere ike ibelata carbon n'ike a na-enye ebe nchekwa data».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Ụlọ ọrụ ike nuklia dị oke ọnụ (5.1), na-ewe ogologo oge (5.2), ụfọdụ n'ime ha adịbeghị njikere iji rụọ ọrụ (5.3).

Nkwupụta gbasara ike



6/12

## Nkọwa Banyere Ike Nuklia Dị Ọcha

NKWUPỤTA

"Ike nuklia dị ọcha."

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Okirikiri mmanụ nuklia na-emepụta anwụrụ sitere na mmanụ fosil (6.1). Ụdị igwe nuklia niile, nke nkewa nuklia na nke njikọ nuklia, na-emepụta mkpofu nwere radieshon (6.2, 6.3).



7/12

## Akụkọ Banyere Ebe Nchekwa Data Na-enweghị Anwụrụ


NKWUPỤTA

«Ebe nchekwa data anaghị akpata mmetọ ikuku ọ bụla».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Igwe gas a na-eji enye ebe nchekwa data ike n'ebe ahụ na-ewepụta anwụrụ nitrogen dioxide na-egbu egbu (7.1, 7.2).

Nkwupụta gbasara mmetọ



8/12

## Akụkọ Banyere Ebe Nchekwa Data Dị Jụụ

NKWUPỤTA


«Ebe nchekwa data na-akpata obere mmetọ mkpọtụ.».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Ebe nchekwa data na-ewepụta mkpọtụ n'ogo ụda dị iche iche (8.1, 8.2). Ọbụna mkpọtụ dị n'ogo ụda ala nwere ike imerụ ahụike na ọdịmma mmadụ (8.3).

## Nkwupụta Ihu Igwe na Ndọrọ Ndọrọ Ọchịchị Ebe Nchekwa Data

**Nkwupụta ndọrọ ndọrọ ọchịchị**



9/12


### Olileanya Na AI Ga-azọpụta Anyị n'Aka Onwe Anyị

NKWUPỤTA

«AI ga-azọpụta ụwa ngwa ngwa karịa ka ọ ga-eme ka nsogbu ka njọ».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Anyị enweghị ike ihicha ọdọ mmiri n'otu akụkụ mgbe anyị na-emetọ ya n'akụkụ nke ọzọ (9.1, 9.2, 9.3).



10/12


### Nkọwa Banyere Ọganihu Obodo

NKWUPỤTA

«Ebe nchekwa data na-ewetara obodo gị ọganihu iji nyere aka ịlụso mgbanwe ihu igwe ọgụ.».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Akụ na ụba obodo nke ebe nchekwa data na-ebute bụ echiche ego na-abụghị eziokwu: mbelata ụtụ isi obodo, ọrụ ọhụrụ ole na ole na ụgwọ mgbasawanye netwọkụ ọkụ eletrik a na-ebufe n'aka ndị na-eji ọkụ n'ụlọ (10.1, 10.2).



11/12

### Nkwupụta Banyere Uru Griin Na-erute Ndị Ọzọ

NKWUPỤTA

«Ụlọ ọrụ teknụzụ AI na-akwado mgbanwe griin ahụ n'ego».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

A na-eji mmanụ fosil eme ihe karịa ike a na-emegharị emegharị (11.1, 11.2). E nwere ịgha ụgha banyere ịdị mma gburugburu ebe obibi na ileghara ebumnuche ihu igwe anya (11.3).



12/12

### Arụmụka Na Ebe Nchekwa Data Agaghị Ekwe Omume Izere

NKWUPỤTA

«AI na-aga n'ihu, ya mere anyị chọrọ ebe nchekwa data ndị ọzọ».

NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Ụfọdụ akụkụ ya na-ebibi ihe nke ukwuu, a ga-ejikwa omume ndọrọ ndọrọ ọchịchị chịkwaa ha (12.1, 12.2, 12.3).

AULA

Nrụtụaka: weebụsaịtị / ndepụta akwụkwọ nwere nkọwa

**Nkwupụta Ihu Igwe na Ndọrọ Ndọrọ Ọchịchị Ebe Nchekwa Data**

**Lee ndepụta akwụkwọ nwere nkọwa na:**
https://theaulafellowship.org/climate-CLAIMs-in-data-center-politics/

THE AULA FELLOWSHIP

*Ịhụ na onye ọ bụla nwere ike isonye na mkparịta ụka gbasara AI.*

https://www.theaulafellowship.org
info@theaulafellowship.org

**Ozi ndị ọzọ**

**Onye dere ya:**
Tammy Mackenzie, MBA
Harshini Rajachander, M.S.
Wessel Braakman, M.Sc.
François Pelletier, M.Sc.
Andrew Ham, MIA
Branislav Radeljić, Ph.D.
Onyedikachi Amaechi-Okorie
Gwendolyn Alston, Ph.D.
**Onye mere nhazi:** François Pelletier
**Onye tụgharịrị ya:** Onyedikachi Amaechi-Okorie

## Isi mmalite foto

View from the new eSecureData.com Data Center — Reg Natarajan, CC BY 2.0. flickr.com/photos/regnatarajan/8728464629
Aerial Photo of Center Pivot Irrigations Systems (2) — Soil Science, CC BY 2.0. flickr.com/photos/soilscience/8740205905
AOC holds up jar of brown water at EPA hearing — US Congress - Public Domain
Open cut coal mine Hunter Valley — Beyond Coal & Gas Image Library, CC BY 2.0. flickr.com/photos/beyondcoalandgas/9304143669
Kewaunee Nuclear Power Plant Cooling Tower, Wisconsin — Chad Davis, CC BY 2.0. flickr.com/photos/chaddavisphotography/49063141627
Nuclear Power Plant, photo by Image by falco-81448, Pixabay license. https://pixabay.com/photos/power-plant-industry-smoke-exhaust-210850/
Diesel backup generators in a Data Center — Wikimedia Commons, CC BY-SA 4.0. commons.wikimedia.org/w/index.php?curid=196577590
Sound Wave Graphic by BroneArtUlm, Pixabay license. https://pixabay.com/illustrations/sound-wave-voice-listen-856771/
Data Center — Laurie Avocado, CC BY 2.0. flickr.com/photos/auntylaurie/26192206101
Electricity — Tom Taker, CC BY 2.0. flickr.com/photos/shoutsfromtheabyss/5313714706
Spreading gravel (AK_NPLD2025) — Bureau of Land Management, CC BY 4.0. flickr.com/photos/mypubliclands/55032872985
Fridays for Future Berlin — FridaysForFuture Deutschland, CC BY 2.0. flickr.com/photos/161768312@N07/46873299171

E nyere ọrụ a ikikere n’okpuru Creative Commons Attribution-ShareAlike 4.0 International. Iji hụ otu ikikere a, gaa na https://creativecommons.org/licenses/by-sa/4.0/